***<u>Year C #778</u>***

***The Problem of Drink***

***Nsogbu Nke Ịṅụ Mmanya***

***031205-3***

*Daalụ Ezi enyim! Nke a bụ Dọrọti-*

Adighi m echezọ ịba n'ụbọchị ikpeazụ nke afọ ọtụtụ afọ gara aga. Ụbọchị na-abọ Afọ Ọhụrụ! Oo, mkpali ọṅụ ahụ niile! Oo, iche banyere ije n'otu ememe ndi yii uwe ọma na-agba egwu maọbụ ime otu ihe ọzọ. Mgbe niile, ọ na-abụ, oo ọ gaje ịdị mma karịa echi nakwa oo, nkwari ahụ niile, na ihe niile ya na ya na-agakọ - na oo, ịṅụ mmanya; oo, ọgbaghara ahụ; ihe isi-ike ahụ! Amaghị m n'ezie ihe i na-eme ụbọchị ahụ, mana amaara m ihe mụ onwe m gaje ime: agaje m nnọ ito Onyenweanyị, ime onwe m ka m dịịrị na njikere nye Ya ma mee ka ọ bụrụ ụbọchị iwetara aha Ya otuto.

Achọrọ m ịkọrọ gị otu ihe nke m rịbaworo ama n'afọ ndi a gara aga. ọzọ nakwa ọzọ, ebe ọbụla mụ onwe m nọ, a na-enwe ntakiri nsogbu nke na-aghọ akparamagwa na-eyi egwu. Nsogbu ahụ eleghị anya bụ nke gị onwe gi maworo. Ọ bụ nke metụtara mmanya, ihe ọṅụṅụ na-aba n'anya, nakwa aṅụrụma mmanya. Ewere m oge ịgụ Akwụkwọ Nsọ ma ọ dị m ịtụnanya kpamkpam n'ọtụtụ ọnọdụ ebe Chineke dọrọ aka-na-nti banyere mmanya, ihe ọṅụṅụ na-aba n'anya nakwa aṅụrụma mmanya. Nihi na, ị hụrụ, mgbe anyị na-ejuputa na Mmụọ nke Onyenweanyị, anyị adịghị enwe mkpa nke mmanya na-aba n'anya. Anyị na-ejuputa n'ọṅụ Ya na ndụ Ya na ojuju Ya, gịnị kwa ka anyị na-

anwa ime ka ihe ga-emeghasị maọbụ nwee mmetụta ọjọọ n'arụ anyị niile were ọnọdu?

Ọ bụrị ụbọchị mwute nye Noa na **Jenesis isi itolu malite na-ahiri nke iri abụọ rue na nke iri abụọ na anọ**, dịka ị pụrụ icheta na anyị kparịtara ụka banyere ya na mgbe gara aga. Ebe Chineke napụtaworo ya na ezinaụlọ ya n'ụwa nke Chineke zipuru ikpe Ya megide site na mmiri-ozuzo na uju-mmiri nke bịara, emesia Noa wee pụta n'ala akọrọ. Onyenweanyi napụtara ya. Mgbe ahụ anyị gụrụ na Noa ṅụrụ mmanya wee gbara ọtọ n'ụlọ-ikwu ya. Anyị gụkwara na **Jenesis isi itolu malite n'ahiri nke iri atọ rue na nke iri atọ na asatọ** , na e mere ka Lot ṅụa mmanya, ya wee nwe mmekọ nwóké na nwaanyị ya na ụmụ ya ndiinyom, bụ ebe e si mụta ndi Amọ na ndi Moab, bụ agbụrụ abụa kachasị enupu isi bụrụkwa ndi mere ndi nke Chineke óké ihe ọjọọ.

Ma ị hụrụ, ọ dị ịtụnanya! "Oo", ị na-asị, "ọ bụ naanị ọnọdụ nta a". Mana mmadụ ole dabaworo nime akparamagwa maọbụ omume nke ha apụghị kwa ijikwatali. Ahụwo m n'ọlụ ahụike ndi dọkịta bụ ịgba, ndi na-awa arụ nke ọma, mana na ngwụcha ụbọchị ha, e wee chụa ha n'ọlụ maọbụ wezuga ha n'ọnọdụ ha nihi na, ọ bụghị naanị na ha apụghị ijikwata onwe ha n'ebe ihe ọṅụṅụ dị, kama kwa ọ na-enwe mmetụta ọjọọ n'arụ ha onwe ha ịlụ ọlụ na inyere ndi ọzọ aka site n'ọlụ ha. Ana m ahụ ụkpụrụ a ọzọ nakwa ọzọ ka ọ na-ewere ọnọdụ.

Na **Jenesis isi iri abụọ na asaa ahiri nke iri abụọ na ise**, anyị gụrụ na Aisak ṅụrụ mmanya, o wee dị mfe ịghọgbu ya. Nihi nke a, o

nyepụrụ ngọzi nke di ọkpara ya. N'okwu ọzọ, anyị na-agbaso ụzọ n'ezighị ezi. **Ọpụpụ isi iri atọ na abụọ ahiri nke isii** na-ekwu banyere ịṅụ mmanya nke na-eduba n'oriri óké mkpọtụ nke na-eduba n'ikpere arụsị. Anyị gụa akụkụ niile nke Akwụkwọ Nsọ, a na-egosi anyị nke a ọtụtụ ugboro. Na **Deuterọnọmi isi iri atọ na abụọ ahiri nke iri na anọ - . . . Ọbara mkpụrụ-vine ka ị na-aṅụ kwa, bú mmanya-vine. -** ya bụ mkpụrụ osisi vine. **Ndi Ikpe isi iri na atọ ahiri nke anọ - Ma ugbu a, biko, lezie anya, aṅụkwala mmanya-vine maọbụ ihe-ọṅụṅụ na-abà n'anya . . .** Mgbe ahu **na Samuel nke mbu isi mbu** , Hannah, i chetara, bụ onye e chere na ọ ṅụrụ mmanya mgbe ọ na-ekpe ekpere. Ọ ṅụghị mmanya maọbụ ihe ọṅụṅụ na-aba n'anya. N'okwu ọzọ, e nwere ndi mere ihe nzuzu. *Nebal.* I chetara akụkọ ahụ mara mma banyere Abigail na Nebal na **Samuel nke mbu isi iri abụọ na ise**. Nebal bụ onye ṅụrụ mmanya. Otu nime akụkọ ndi kachasị ịdị mwute bụ mgbe Devid, ebe o nweworo mmekọ nwóké na nwaanyị na-ezighị ezi ya na Batsheba, mere ka e zighachi di nwaanyị ahụ azụ. Ọ kpọrọ di nwaanyị ahụ ma gbalịa ụzọ niile inweta nwóké a ka o site n'otu ụzọ maọbụ nke ọzọ maa n'ọnya ikpuchi mmehie a nke Devid. O mere ka Uriah ṅụa mmanya n'ịgbalị ikpuchi mmehie ya (Devid) na nwunye Uriah. Ị hụrụ, ụkpụrụ ndi a ewerewo ọnọdụ ọtụtụ ugboro. N'ịma atụ, anyị gụrụ na Job na-ekpere ụmụ ya ekpere kwa ụbọchị ma chụa aja maka ha, nihi n anyị gụrụ na ụmụ Job nọ na-aṅụ mmanya tupu ha anwụa. Ya mere ọ na-aga n'iru na-eme. Anyị gụkwara na **Matiu isi iri abụọ na isii , ahiri nke iri abụọ na itolu**, na Jisọs ṅụrụ

mmanya nke mkpụrụ osisi vine, nke bụ ihe ọṅụṅụ si na oroma pụta. Na **Mak isi iri na ise ahiri nke iri abụọ na atọ** , Jisọs aṅụghị mmanya ọbụla. Na **Luk isi mbu ahiri nke iri na ise**, mmanya bụ ihe na-agakọkwa ya na ime ihe ike. Ma na **Luk isi iri abụọ na otu ahiri nke iri atọ na anọ** , anyị na-achọta ịdọ aka-na nti banyere ndi na-aṅụ mmanya bụ ndi na-apụghị ijikwatali onwe ha nihi mmetụta ọjọọ nke mmanya. Mmadụ ole bụ ndi anyị maara ndi nwụworo maọbụ merụa arụ nihi onye na-akwọ ụgbọ-ala n'okporo-ụzọ nke mmanya na-egbu? Mmadụ ole bu ndi ị maara - ma eleghị anya gị onwe gị - bụ ndi sịworo, "achọzighị m nke a ọzọ; achọrọ m ka a napụta m?"

E nwere ahiri nke na-agwa anyị na **Ndi Efesọs isi ise ahiri nke iri n'asatọ** ka anyị juputa na Mmụọ Nsọ kama ịṅụbiga mmanya ókè. Ị dị njikere ịsị, *Onyenweanyị, napụta m site na abụmọnụ nke a, omume ọjọọ nke a - ihe nke a ga-ebutere ezinaụlọ m na ụmụ m nsogbu? Ego nke e kwesiri itinye iji lekọta ndi ọzọ bụ nke a na-etinye n'ihe na-agụ anụ-arụ m agụụ. Anọghị m na njikwata ihe ọbụla. Onyenweanyị, achọrọ m nnapụta! Nke a bụ ụbọchị dị mkpa nye m. Zute m ugbua kpọmkwem, ezi Onyenweanyị. Nihi na Ị bụ naanị Onye Nzọpụta m nwere. Ana m akpọku Gị, Jjisọs, ma ahụrụ m Gị n'anya site n'obi m niile. Ana m e kelee Gị site n'okwukwe na nke ahụ kpọmkwem bụ ihe Ị gaje ime ugbua!*

*Nihi otuto Gị. Amen.*